# Ihe Ga-enyere Gị Aka Mgbe Ahụ́ Gị Na-agbanwe

Nsogbu ndị a na-enwe n’oge ahụ́ ndị na-eto eto na-agbanwe nwere ike ịdị ka ebe mmadụ nọ n’ihe na-ebugharị mmadụ. Ị manụ na ọ bụghị mgbe niile ka ọ na-atọcha ụtọ. Gụọ ihe ndị e dere ebe a, zaakwa ajụjụ ndị dị́ na ya. Ha ga-enyere gị aka n’oge a ahụ́ gị na-agbanwe.




**1**

Olee otú obi dị gị mgbe ị matara na ka ị na-eto, ahụ́ gị ga-agbanwe?

OBI TỌRỌ M ỤTỌ. ỤJỌ TỤRỤ M. HA ABỤỌ.

Gịnị ka ọ na-abụ i cheta banyere mgbe ahụ́ gị ga-amalite ịgbanwe, obi amapụ gị?

**2**

Mgbe ahụ́ gị na-agbanwe, ọ̀ na-abụ obi dịtụ gị mma, a nọtụ obere, ya ajọwa gị njọ? Ọ bụrụ na o mere gị, olee otú ọ dị gị mgbe ahụ?

Olee ihe ndị i nwere ike ime ka obi na-adị gị mma?






www.jw.org © 2016 Watch Tower Bible and Tract Society of Pennsylvania

**3**

Olee otú mgbanwe ndị ị na-ahụ n'ahụ́ gị si gbanwee otú i sibu ele ahụ́ gị anya?

Olee otú i chere mmadụ kwesịrị isi na-ele mgbanwe ndị ọ na-enwe n'ahụ́ ya anya?



*"Mgbe m malitere ito, m na-ama ụma ehulata ehulata ma m gawa ije, m na-eyikwa efe buru ibu. N'agbanyeghị na m ma ihe mere ahụ́ m ji agbanwe, ahụ́ anaghị eru m ala, ihere na-emekwa m. Ọ dịzi m ka ọ bụghị mụnwa."*
*—Janice.*

*"M kwụsịrị iche na ụmụ okorobịa niile na-akpasu mmadụ iwe. Ugbu a, ahụla m na ụfọdụ n'ime ha mara mma, anaghịzi m eche na nwa agbọghọ ịhụ nwa okorobịa n'anya bụ ihe ọjọọ. Okwu a kpụzi n'ọnụ bụ 'ihe onye a na-amasị onye a.'"—Alexis.*



**4**

Olee otú otú ahụ́ gị si agbanwe si metụta otú i si ele onye na-abụghị nwoke ma ọ bụ nwaanyị ibe gị anya?

Baịbụl kwuru, sị: "Gbaaranụ ịkwa iko ọsọ." (1 Ndị Kọrịnt 6:18) Gịnị mere iwu ahụ ji dị́ mma? Oleekwa otú ị ga-esi kpebisie ike irube isi na ya?


www.jw.org © 2016 Watch Tower Bible and Tract Society of Pennsylvania




## 5

N’agbanyeghị na o nwere ike isiri gị ike ịgwa nne gị na nna gị (ma ọ bụkwanụ onye ọzọ toro eto) nsogbu ndị ị na-enwe mgbe ahụ́ gị na-agbanwe, gịnị mere i ji kwesị ịgwa ha? **—Gụọ Ilu 17:17.**

Olee onye torola eto obi ga-eru gị ala ịgwa ihe ndị ahụ?

## 6

Olee otú nne na nna gị sirila nyere gị aka ịma ihe ị ga-eme mgbe ahụ́ gị na-agbanwe?

Olee ihe ndị ọzọ ị ga-achọ ka ha meere gị?






www.jw.org © 2016 Watch Tower Bible and Tract Society of Pennsylvania




**7** Olee ndụmọdụ ị ga-enye onye ahụ́ ya na-amalite ịgbanwe ọhụrụ?

# Ihe Ị Ga-ajụ Nne na Nna Gị

N’agbanyeghị na o nwere ike iju gị anya, e nwere oge nne na nna gị hụrụ ihe ndị ị na-ahụ ugbu a mgbe ahụ́ ha gbanwere. Olee ajụjụ abụọ ị ga-achọ ịjụ ha banyere ihe ndị nyeere ha aka mgbe ahụ́ ha na-agbanwe? Dee ajụjụ ndị ahụ. Chakapụta igbe a. Gosi ya nne na nna gị.

**1**

**2**




www.jw.org © 2016 Watch Tower Bible and Tract Society of Pennsylvania